# NKWE 'ENWE-NGHỌTA' N'ABỤ AKỤKỌ IFO IGBO ỤFỌDỤ

**Chinedu Chidịebere Ezebube**
**Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka**
**chinedu.ezebube@unn.edu.ng**

**Ụmị**
Ọtụtụ oge, ndị nkụzi agụmagụ na ewumewu Afrịka anaghị etinye uchu na nzipụta nkwe n'abụ ifo Igbo. Ọ bụ ihe doro anya na nkwe na-arụ ọrụ pụrụ iche n'ifo. N'agbanyeghị nke a, ụfọdụ nkwe a na-ezipụta n'abụ ndị a bụ nke a na-eleghara anya oge ụfọdụ. N'ihi nke a, ọrụ nchọcha a nyochara nkwe ndị e nwere ike ịhụta dịka 'enwe-nghọta' n'abụ ifo Igbo iji chọpụta ma ha enwere nghọta ka ọ bụ na ha enweghị nghọta. Iji mejupụta nke a, e nyochara akụkọ ifo ise e dere ede nwere abụ n'ime. A họọrọ ifo ndị ahụ n'akwụkwọ akụkọ ifo Igbo abụọ. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwa. Site na nchọpụta e mere, nchọcha zipụtara na nkwe 'enwe-nghọta' n'abụ ifo nwere ike ịdị n'ụdị nsinụda. A chọpụtakwara na a bịa n'ifo ndị e nyochara, 'ụda enwe-nghọta' ndị dị na nkwe ndị ahụ na-enye aka n'ịkwalite mma ndanusoro abụ ndị ahụ. Ihe ndị a niile na-enye aka akwalite mma abụ ifo. Ọzọ, nkwe 'enwe-nghọta' bụ nke e nwetara site n'emereme nakwa etu emereme na agwa si aga n'ifo ndị ahụ. Ọ na-enye aka n'ịkwalite ntọala akụkọ ifo. Nchọcha chịkọtara site n'ịrụtụ aka na ụda n'abụ ifo abụghị naanị maka mma, kama, ha na-arụ ọrụ pụrụ iche site n'ịkọwa emereme ndị dị n'ifo.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Nkwe, Ụda, Akụkọ ifo, Igbo, Abụ

Teachers of African literature and tradition most times do not pay much attention to refrains in Igbo folktales. Refrains play a crucial role in folktales. However, some refrains expressed in the songs are sometimes neglected. This paper, therefore, examines 'meaningless' refrains in Igbo folktale songs to determine whether they are meaningful or actually meaningless. To actualise this, five written Igbo folktales that have songs are analysed. The tales are taken from two Igbo textbooks on folktales. The research adopts a descriptive approach. From the findings, the study notes that 'meaningless' refrains in Igbo folktales can be onomatopoeic. It also observes that in the studied folktale songs, the sounds go a long way in adding to the rhythmic beauty of the songs. All these add to the aesthetics of the folktale songs. Also, the sounds in the tale songs are derived from the actions and movement patterns of actions and characters in the tales. This means that sounds, as realised from the tales, help in developing the plot of the tales. The research concludes that sounds in folktales are not just for aesthetic purposes; they play meaningful roles in folktales as they help in explicating the actions in the tales.

**Keywords:** Sound, Igbo, Folktale, Song

## Mkpọlite
Akụkọ ifo maọbụ ifo bụ ngalaba agụmagụ ọnụ Igbo dị ọkpụ. Ọ bụ nke na-esi n'otu ọgbọ fere ọgbọ ọzọ (Emenanjọ, 2004; Ibeli, 2016; Starmack, 2018). Nke a mere na enweghị ike ịkọwa kpọmkwem, oge akụkọ ifo malitere maọbụ onye chepụtara akụkọ ifo n'agbanyeghị na e nweela akwụkwọ ederede ebe e deturu akụkọ ifo dị iche iche. Otu ihe dị mkpa ịrụtụ aka bụ na e nwere ike ịkpọ akwụkwọ ndị dị etu a – akwụkwọ ndekọta akụkọ ifo maka na ndị odee akwụkwọ ndị ahụ

enweghị ike izipụta n'uju, na akụkọ ifo ndị dị n'akwụkwọ ha sitere naanị n'ekereuche ha. Ọtụtụ akụkọ ifo ndị dị n'akwụkwọ dị otu a nwere ike ịbụ akụkọ ifo a maara nke ọma n'obodo maọbụkwanụ, ọ bụrụ nke odee sitere na nrọgharị akụkọ ifo ndị ọ nụrụla, rọgharịa ma depụta. Otu ihe dị mkpa gbasara akụkọ ifo bụ na o nweghị nke e nwere ike ịkọ n'otu ụdị n'enweghị mgbakwunye maọbụ mwepụ n'ime ya. Iji maa atụ, ọ bụrụ na a kọọrọ ụmụaka akụkọ ifo 'Nwa agbọghọbịa na-agba nhọ di', a ga-achọpụta na ụzọ ụmụaka ndị a ga-esi akọpụta akụkọ ahụ ma a sị ha kọgharịa ya ga-adịrịrị iche na nke ibe ha. Azuonye (2013a) kọwara na akụkọ n'omenala Igbo dị n'ụdị abụọ gbara ọkpụrụkpụ - akụkọ àlà na akụkọ ifo. Ọ kọwara na akụkọ ala metụtara akụkọ ihe mere n'oge gboo nke bụ eziokwu. Akụkọ ifo na nkọwa ya metụtara akụkọ ndị sitere n'ekereuche, nke na-ejije emereme ma bụrụkwa nke isi sekpụ ntị gbadoro ụkwụ n'iwu na usoro ebimndụ obodo. Azuonye (2013a) kwuru na akụkọ ala bụ nke a na-ahụta ka ihe nwoke nwe maka na ọ bụ ụmụ nwoke ka e ji akụkọ ndị dị etu a mara, ebe akụkọ ifo gbasaara ụmụnwaanyị maka a na-ahụta ha dịka akụkọ e ji azụzi nwa, bụ nke e ji amatakarị ụmụnwaanyị.

Na nkọwa Ogbonna-Oluikpe (2021), akụkọ ifo Igbo bụ nke nwere aha dị iche iche n'olundị Igbo nke gụnyere – ife, iro, akụbufe, akụkụfere, akụkọ, inu, ilu, ihwe, na ihwo. Nwaozuzu (2007) kwuru na mkpali mmụọ nke mmadụ na-enwe n'ịkụzi ihe, ịkpa mmadụ obi aṅụrị na ịkọcha bụcha usoro e nwere ike ịhụta dịka nsiripuru akụkọ ifo. Nke a bụ maka na ndịna akụkọ ifo na-agbadokarị ụkwụ n'adịmuchu, agbambọ, nrube isi, nsọpụrụ, omume ọma, dgz. Emenanjọ (2004) na Agbo (2011) rụtụrụ aka na akụkọ ifo Igbo bụ nke a na-akọkarị n'oge mgbede, oge a rụcharala ọrụ ụbọchị. N'oge dị etu a, ụmụaka na-agbakọ n'ama obodo maọbụ ebe e kwekọrịtara, ọkachasị n'ebe ha na-anọ egwu egwu ọnwa. Akụkọ ifo ahụ bụ nke ndị okenye nwere ike ịkọrọ ha maọbụkwanụ nke ha nwere ike ịkọ n'onwe ha. Ịkọ akụkọ ifo nke onwe n'etiti ụmụaka na-enye aka akwalite ekereuche. Nke a bụ eziokwu maka na ka otu nwatakịrị na-akọ, ka nwata ibe ya na-eche maka nke ọ ga-akọ ga-atọkarị nke a na-akọ. Finnegan (2012) kọwara na mma akụkọ na-esitekarị n'aka ọkọọ na ndị ngere ya. Nke a na-apụta ihe n'etu ọkọọ si ewebata okwu, njije emereme nakwa nkamma ndị ọzọ ga-eme ka ihe a na-akọ nwee nka. Starmack (2018) kọwara na ezi akụkọ ifo, nke gara n'ezigbo usoro, ga-enwerịrị mmalite; agwa ndị nwere ike ịbụ mmadụ, mmụọ maọbụ anụmanụ; akụkọ ga-abụ nke ga-adị mfe nghọta ma bụrụkwa nke ga-enwe ezi mkpebi. Ọ ga-enwekwa ihe mmụta dị n'ime ya, nke a tụrụ anya na ndị ngere ga-aghọta ma hụta n'usoro ebimndụ kwa ụbọchị ha.

Nwachukwu-Agbada (1991) rụtụrụ aka na akụkọ ifo Igbo na-enwe usoro e si amalite ya. Ọ kọwara na a na-enwe nkebiokwu ndị e ji amalite akọmakọ akụkọ ifo. Ha na-adị n'ụdị mkpọku na azịza. Ebe ọkọ-akụkọ ga-ekwupụta nkebiokwu ahụ, ndị ngere ga-azaghachi ya. Ọmụmaatụ mkpọku na azịza gụnyere: ifo chakpii – wọọ; otu mgbe – otu mgbe eruo. Akụkọ ifo Igbo na-enwekwa isiokwu na abụ na-eso ya. Okafor (2005) kọwara na abụ ifo bara nnukwu uru, ọkachasị n'ime obodo ndị mebere ala Igbo. E ji abụ ndị a akụziri ndị okenye na ụmụaka agwa ọma nakwa akparamagwa a tụrụ anya n'aka ha dịka ndị bi n'obodo. Na nkọwa Akporobaro (2012), ọ rụtụrụ aka na ọtụtụ akụkọ ifo na-enwe abụ na-eso ha. O kwuru na abụ/nkwe ndị ahụ a na-ahụ a na-ahụ n'ifo na-arụ ụzọ ọrụ abụọ. Nke mbụ bụ izipụta ọnọdụ a ga-eji gbaa ụfọdụ ihe gbasara emereme dị n'ifo n'anwụ. Ọ ga-esite na nke a mee ka ndị ngere nwee mmetụta. Ọzọ, n'ihi na abụ/nkwe ndị a na-adị n'ụdị mkpọku na nzaghachi, ọ na-akwalite njije dị n'ifo ma mee ka emereme ya bụrụ nke dị ndụ. Na nchọcha a, e nyochara nkwe ndị ọ dị ka a ga-asị na ha enweghị nghọta n'abụ ifo Igbo ụfọdụ.

**Ntụleghari Agụmagụ**

Ọ bụ ihe dị mkpa inye nkọwa gbasara nkwe 'enwe-nghọta' maọbụ nke ndị ọka n'amụmamụ egwu kpọrọ 'nkejiokwu enwe-nghọta'. Ofuani (2017) kọwara na ikwu na nkwe/nkejiokwu enweghị nghọta sitere n'echemeche ndị ọcha nwere gbasara egwu ndị mba Afrịka. Na nchọcha ya, ọ kpọrọ nkwe 'enwe-nghọta' nkejiegwu. Ọ rụtụrụ aka na nke a bụ naanị oge o metụtara egwu. Ofuani (2017) kọwara na ihe 'nkejiegwu' ji dabaa bụ maka na ọ bụ nke a na-ewebata n'egwu ndị Afrịka iji mee ka ha nwee ezi ndakọrịta ụda maọbụ nwee ezi mmeju. Ọ rụtụkwara aka na a bịa n'ogo agụmagụ, nkejiegwu bụ nke sitere na nkaasụsụ dịka nsinụda, eserese, ntimkpu na nchịkọta. O ji egwu ndị Aniọcha zipụta ka nke a si apụta ihe. Ọ tụnyere aro ka a kpọọ ya nkejiagụmagụ ma o metụta agụmagụ, ọkachasị oge ọ na-ezipụta agụmagụ; nkejiọnọdụ ma ọ bụrụ nke ọnọdụ wetara maọbụkwanụ 'ekwe-ntụghari' ma ọ bụrụ na enweghị ike ịtụghari ya. Ebe ọ bụ na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkwe abụ ifo, nke nọ n'okpuru agụmagụ, ọ ga-ebute mgbagwojuanya ma a kpọo ụda dị etu a – nkejiagụmagụ. Nwosu, Ibezim na Ugochukwu (2021) na nnyocha ha mere gbasara egwu ọnụ ụmụaka rụtụrụ ụda ndị dị etu a dịka ụda enweghị nghọta.

Okpewho (1992) ji ọmụmaatụ nkwe/azịza abụ ifo Igbo – *Tụlụzam zam tụlụ zam*, were kọwaa na nkebiokwu dịka nke e depụtara enweghị nghọta. Ọ kọwara na enweghị ike ịtụghari ụda/nkwe ndị ahụ na ndepụta n'asụsụ ọzọ maka na enweghị nghọta maọbụ ọrụ ha na-arụ ma e wezuga imezu ndanusoro/ụdaoge abụ. Okpewho (1992) gakwara n'ihu kọwaa na o nwere ike ịbụ na ụda ndị a sitere n'asụsụ ọkpụ, nke gabigarala mgbanwe dị iche iche, nke na enweghị ike inye ezi nkọwa banyere nkwe ndị ahụ. Azuonye (2013b) kọwapụtara na n'agbanyeghị ihe Okpewho (1992) kwuru, ọ dị mkpa ịmata na *Tụlụzam zam tụlụ zam* dịka o si metụta ọmụmaatụ Okpewho (1992) abụghị nkwe enwe-nghọta; kama, nkwe a sitere na nsinụda nke e ji mara mmadụ, anụmanụ maọbụ ihe dị na gburugburu. Nkọwa Azuonye (2013b) doro anya mana ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ọtụtụ oge, a na-ahụta ụda ndị dị etu a dịka enwe-nghọta maka na e kwenyere na enweghị ike ịtụghari ha n'asụsụ ọzọ. Azuonye (2013b) gakwara n'ihu idepụta ụdị nkwe asatọ a na-ahụta n'abụ ifo. A ga-akọwa ha n'okpuru n'ụzọ dị nkenke.

**a. Nkwe n'ụdị nkwusara**: nke a bụ ụdị nkwe a na-ahụtakarị n'abụ Igbo. A na-eji ụdaume niile enye ọmụmaatụ nke a [a! e! o! ọ! i! ị! u! ụ!]. Azuonye (2013b) kọwara na a na-ejikarị 'o' ezipụta nke a n'Igbo maka na ọ bụ ụda e ji adọta uche mmadụ. Ọmụmaatụ e nwetara n'akụkọ *Ọmalinze* bụ;

Ọmalinze, Ọmalinze, Okoro ọma  
O, Ọmalinze  
Nwa nze, Nwa nze, Nwa nze  
Okoro ọma  
O, Ọmalinze

Nkwunwo ụda ndị a na-enye aka eweta mmetụta n'ebe ndị ọgụụ nọ.

**b. Okwu ntimkpu**: Azuonye (2013b) rụtụrụ aka na ndị ọbụ-abụ Igbo na-ewebatakarị okwu ntimkpu n'abụ dịka Tụfịa, Ịhaa, Isee dgz.

**ch. Nkwe ndanwo/nkwe icheoku**: N'ebe a, a na-enwe ndanwo ụda site na nkwunwo okwu ndị dị n'abụ. Ọmụmaatụ Azuonye (2013b:44) nyere maka nke a bụ;

Nwa nkwụ m sughu sughu ...
Sughu sughu!

E nwere ndanwo okwu 'sughu sughu'.

**d. Nkwe nsinụdamara**: n'ebe a, a na-eji ụda ese eserese n'uche ndị ngere/ọgụụ. A na-eji okwu ezipụta ụda egwu, ụda ihe maọbụ ụkwụ egwu. Tụlee ọmụmaatụ o nyere (ihu 45);

Ọsa na-ata akwụ o !
Charatam chatam!
Ọsa na-ata akwụ o!
Charatam chatam!
Ị na-ata akwụ o?
E gbuo ha nne gị o!
Charatam chatam!

*Charatam chatam* n'ebe a bụ nsinụda nke na-egosi etu ọsa a na-arụtụ aka n'elu si ata akwụ.

**e. Nkwe ucheụda**: nke a bụ nkwe na-eji nghọta sitere n'uche, nke e kwenyere na ihe nwere, ọkachasị ihe enweghị ike imepụta ụda. Azuonye (2013b) nyere ọmụmaatụ nkọwa ọkụ site n'iji ụda dịka *keri keri* maọbụ ịkọwa mgba site n'iji *vịam vịam* maọbụ *fịam*.

**f. Nkwe n'ụdị egwu**: Azuonye (2013b:46) kọwara ụdị nkwe a dịka nke na-adị n'ụdị egwu maọbụ fọmụla. Ọdịdị ha n'ụdị egwu na-eme ka ha nwee mmetụta. Ọmụmaatụ ha gụnyere – nda (nda were nda; nda werere werere nda); une (inine; ineene; une, unembele une); Kparanụma dgz.

**g. Nkwe mmejurịta**: nke a bụ nkwe ndị na-emejurịta echiche/nghọta dị n'abụ. Echiche ndị dị n'abụ na-emejurịta onwe ha. Ọmụmaatụ;

Tufuonu nwa mere arụ o! ...
E ru echi amụta ọzọ!
Refuonu nwa mere arụ o! ...
E ru echi amụta ọzọ o!

**gb. Nkwe isiokwu**: n'ụdị a, a na-ekwunwo isiokwu/ndịnisiokwu abụ. Ọmụmaatụ nke a bụ abụ Ọmalinze n'akụkọ ifo *Ọmalinze*. N'ebe ahụ, e nwere nkwunwo Ọmalinze, nke bụ isiokwu akụkọ ahụ.

**Usoro Nchọcha**

Nchọcha a nyochara akwụkwọ ederede. Ọ gbasoro usoro nchọcha kwọlitetivu. Usoro nchọcha a dabara ebe ọ bụ na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnkwe ndị a hụtara ka ndị na-enweghị nghọta maka na enweghị ike ịtapịa ha maọbụ tụgharịa ha n'asụsụ ọzọ. E si n'akụkọ ifo Igbo ise, bụ ndị e seere n'akwụkwọ Nwafọ (2011) na Emenanjọ (2004), nweta nkwe ndị e nyochara na nchọcha a.

Nwafọ (2011); ihu 13 – 16; Ọsa na ụmụanụmanụ
ihu 17 – 20; Mbe na ngwere
ihu 63; Nwa nnụnụ ụkwa

Emenanjọ (2004); ihu 44 – 47; Nwa mmiri na-eru walawala

ihu 108 – 111; Eke mbe agana esu

N'ime akụkọ ifo ise ndị e nyochara na nchọcha a, naanị otu, nke sitere n'*Ọmalinze*, metụtara anụmanụ na mmadụ (Eke mbe agana esu). Nke ọzọ sitere n'*Ọmalinze* metụtara naanị mmadụ (Nwa mmiri na-eru walawala). Ndị nke niile sitere n'*Akụkọ ifo ala anyị* nwere naanị agwa anụmanụ. Iji nyochaa ma nweta data a chọrọ maka nchọcha a, e bu ụzọ gụọ akụkọ ifo ndị a họọrọ nke ọma, ma nweta nkwe ndị e nwere ike ịhụta dịka enwe-nghọta. Ka e mechara nke a, e nyochara nkwe ndị ahụ dịka o si metụta akụkọ ifo ha dị na ya. A tụlere mpụtara nkwe ndị ahụ n'akụkọ ifo.

**Nchịkọta Akụkọ Ifo ndị A Tụlere**
N'agba nke a, a chịkọtara akụkọ ifo ndị e si na ha nweta nkwe ndị e jiri mee nchọcha. Atọ ndị bu ụzọ sitere na Nwafọ (2011) ebe abụọ ndị ọzọ na-esote si n'Emenanjọ (2004).

- **Ọsa na ụmụanụmanụ (ihu 13 – 16)**

N'akụkọ a, ụmụanụmanụ kpebiri igbu ma rie nne ha maka ụganị dị n'obodo. Ọsa ji aghụghọ kpọgoo nne ya n'igwe ma gwa ha na nne ya nwụrụ oge o pere mpe. ọ gwakwara ụmụanụmanụ na ọ bụ atanị ka o ji mere nne. Ọ kpọtara atanị ma gbuoro ha. Oge ọbụla ọ chọrọ ịhụ nne ya ma rie ihe, ọ na-aga agụrụ nne ya egwu. Enyi ya, mbe, mechara chọpụta ihe ọ na-eme site n'ịjụpụta ọsa ihe mere o ji ama abụba karịa ụmụanụmanụ ndị ọzọ. Mbe gwara ụmụanụmanụ maka ihe ọsa na-eme, nke mere ka ha kpebie ịga n'igwe gbuo nne ọsa. Site n'enyemaka ọkịrị, atụmatụ ha mara afọ n'ala.

- **Mbe na ngwere (ihu 17 – 20)**

Akụkọ ifo a kọrọ maka mbe na ngwere. Ha bụ agbataobi. Otu ụbọchị, ngwere nọ n'akụkụ ọnụ ndị mmụọ ma tie akị. Akị ya dabanyere n'ọnụ ha, nke mere ka ọ chọrọ ha gawa. O gosiri ụmụ mmụọ obi umeala na ezi ọzụzụ. Oge Eze ụmụ mmụọ gwara ya ka ọ họrọ otu nnukwu maọbụ obere ịgba, ngwere họọrọ ịgba nke obere. Ọ laruru ma kụọ ịgba ahụ, nke mere ka oriri daara ụmụanụmanụ. Oge mbe hụrụ nke a, ekworo jupụtara ya obi, nke mere ka o were akị mee otu ihe ahụ ngwere mere. Oge o zutere ụmụ mmụọ, o richapụrụ ero dị n'ala ha ma gwa ha ka ha bunye ya ịgba ka ọ lawa. O buuru nke nnukwu ịgba. Oge ọ laruru kụọ ya, ụmụ mmọnwụ dị iche iche pụtara ma chọọ ịpịagbu ya.

- **Nwa nnụnụ ụkwa (ihu 63)**

Akụkọ ifo a dị n'ụdị mkparịtaụka, n'etiti nwa nnụnụ ụkwa na onye na-agba ya ajụjụ. Nwa nnụnụ na-atụrụ nne ya ose. Ọ kọwara na ọ bụrụ na o mechaa nke a, ọ gaa ikwunne ya maka na ha na-afụ opi.

- **Nwa mmiri na-eru walawala (ihu 44 – 47)**

Akụkọ a gbasaara ụmụaka abụọ bụ enyi. Otu sitere n'ezinaụlọ nwere ego; ebe nke ọzọ sitere n'ezinaụlọ dara ogbenye. N'agbanyeghị ọnọdụ ụmụaka ndị a hụtara onwe ha, ha na-emekọrịta ihe ọnụ ma na-erikọrịta nri. Oge ọbụla nke ọbụla n'ime ha chọrọ iri nri, ọ na-eji egwu akpọku enyi ya ka ọ bịa rie nri. Omume a adịghị nne na nna ndị nke ji ego mma n'ahụ. Ha hụtara ya na ọ dịghị ezigbo ihe oriri nwa ha na-erite n'ụlọ ndị nke ogbenye. Oge ha gbara mbọ ịkwasa mmekọrịta dị n'etiti ụmụaka ahụ mana o nweghị isi, ha wetara ọgwụ na nke dibịa iji gbuo nwatakịrị ahụ. Nwunye

nwoke ahụ dupụrụ nwa ha bụ enyi nwa ogbenye ebe di ya tinyere ọgwụ ahụ na nri ma bunye nwa ha nke nta ka o nye nwa ogbenye ahụ. N'ihi etu e si kwado nri ahụ nakwa ihe ndị juru na ya, nwa ha ritụrụ ya tupu o bunye nwa ogbenye. Nwa ha nwụrụ ebe nwoke ọgaranya ahụ ji aka ya gbutọpụ nwa ogbenye oge ọ na-ekwo ọnwụ. Mmụọ enyi nwata ahụ na nwanne ya mechara kọọrọ ya ihe mere ha. Nwata a gwara nne na nna ya ihe ha mere ma kwe ha nkwa na ha agaghị ahụkwa ya anya ọzọ. Ọ dara n'ala ma nwụọ.

- **Eke mbe agana esu (ihu 108 – 111)**

Akụkọ a kọro maka mbe na otu agadi nwaanyị bụ onye agbataobi ya. Nwaanyị a maara esi nri. Oge ọbụla o sichara nri, mbe abịa ịgụrụ ọkụ. Nwaanyị a ga-akpọ ya oku nri. Mbe na-ejikarị ohere a erichapụ nri nwaanyị ahụ. Oge mbe mere nke a ọtụtụ oge, o kpebiri ịchọpụta ụzọ ọzọ ọ ga-esi na-eri nri nwaanyị ahụ. Ọ nyanyere mgbịrịmgba n'aka na ụkwụ ya , ma zoo n'otu akụkụ n'ụlọ nwaanyị ahụ. Oge ọbụla nwaanyị kupụtachara nri ọ chọrọ iri, mbe ga-amalite gụwa egwu ma were mgbịrịmgba o yi mewe mkpọtụ. Nwaanyị ahụ ga-eji ụjọ hapụ nri ahụ ma gbapụ. Mbe ga-apụta ma richapụ nri ya. Ka nke a mere ọtụtụ oge, nwaanyị ahụ jekwuuru otu nwa dibịa nyere ya eso. Eso ahụ nyeere ya aka jide mbe.

**Ụda 'Enwe-Nghọta' n'Akụkọ Ifo ndị A Tụlere**

N'ebe a, a tụlere nkwe ndị a họọrọ maka nchọcha. E nyochara nkwe ndị ahụ ma gosipụta ma ha enwere nghọta ka ọ bụ na ha enweghị. Tebulu nọ n'okpuru chịkọtara nchọpụta ndị a.

**Tebulu 1: Nkwe ndị a tụlere**

| Nkwe | Aha akụkọ ifo | Ụda e nwetara | Nkọwa | Ụdị ụda |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Ọsa na ụmụanụmanụ | Sam sam sakịrị | Agaramije ọsa | Nsinụda |
| 2. | Mbe na ngwere | Gbampụtụ gbampụtụ<br>Gbampụta gbampụta | Ụda obere na nnukwu ịgba | Nsinụda |
| 3. | Nwa nnụnụ ụkwa | Tụm zam zam tụ zam zam<br>Pọpọlịlị pọpọlị | Ụda sitere n'ọ̀tụ̀tụ̀ ọnụ nnụnụ ma ọ na-atụ ihe<br>Ụda opi | Nsinụda |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | | Pịpịlọ pịlọm pịlọm lọm pịị | | |
| **4.** | Nwa mmiri na-eru walawala | Walawala | Ụda mmiri na-eru eru | Nsinụda |
| **5.** | Eke mbe agana esu | Ụyọm ụyọ ụyọm | Ụda mgbịrịmgba | Nsinụda |

Ụda *sam, sam, sakịrị* sitere n'emereme ọsa. Oge ọkịrị bịara ịkpọ ọsa na ụmụanụmanụ achọwala igbu nne ya, ọ gụụrụ ọsa:

Ọsa! Ọsa!
Sam, sam, sakịrị
Ọsa! Ọsa!
Sam, sam, sakịrị
Ụmụanụmanụ egbuo nne gị!
Sam, sam, sakịrị (ihu 15)

Ọkịrị ji ụda a gwa ọsa mkpa ọ dị na ọ hapụrụ ihe niile ọ na-eme ma gaa zọpụta ndụ nne ya. Ụda a na-egosi ụdị omume ọkịrị tụrụ anya n'aka ọsa. Ọ bụ ihe doro anya na ọsa na-ama sam sam; nke a sitere n'akparamagwa/agaramije ọsa.

Ụda *gbampụtụ* na *gbampụta* bụ ụda sitere n'ịgba. Ụda ndị a na-apụta ihe ma ọ bụrụ na a kụọ ịgba. Dịka o si metụta akụkọ ifo, 'Mbe na Ngwere', e ji ụda ndị a zipụta mkpọtụ/ụda sitere na ngwa egwu ụmụ mmụọ bunyere ngwere na ọsa. Nke e bunyere ngwere na-ada:

Gbampụtụ, gbampụtụ
Ịgba nri na ofe
Gbampụtụ, gbampụtụ
Ịgba nri na ofe (ihu 19)

Ebe nke e bunyere mbe na-ada:

Gbampụta! Gbampụta!
Ịgba mmọnwụ na osisi (ihu 20)

Ewezuga na ụda ndị a sitere n'ịgba, e jikwa ụda ndị a zipụta mmetụta na mpụtara e nwetara na njem ngwere na mbe gara na be ụmụ mmụọ. *Gbampụtụ* n'akụkọ a gosipụtara ọkụkụ ịgba a kụrụ nke ọma nakwa omume ziri ezi. *Gbampụta* zipụtara ụda na-ezighi ezi, nakwa nke sitere n'akparamagwa mbe. Mbe ji anyaukwu na anyaụfụ bagide njem n'ala mmụọ maka ihe nrite ngwere ritere oge ọ gara ala mmụọ. N'ebe ọ pụrụ iche, ụda ịgba ndị a dị na nkwe akụkọ a mere ka akụkọ bụrụ nke ga-ekwe nkwenye; nke mmadụ nwere ike ikwenye na o mere. Ha gakwara n'ihu izipụta mma nkwe akụkọ ifo, ma mekwaa ka o kwe okwukwe dịka egwu/abụ. *Gbampụtụ* na

*gbampụta* na-egosikwa ụdị ịgba ụmụanụmanụ ndị a họọrọ. Ngwere họọrọ obere ịgba ebe mbe họọrọ nnukwu ịgba.

Ụda *tụm zam zam tụ zam zam* sitere na nwa nnụnụ ụkwa. Ọ pụtara ihe site n'ọtụtụ ọnụ nwa nnụnụ na-atụ ihe ekere. Ọzọ kwa, *zam zam* na-egosi etu nwa nnụnụ si atụ ọnụ ahụ ọ na-atụ. Lee abụ a n'okpuru:

Nwa nnụnụ ụkwa! Nwa nnụnụ ụkwa!
Tụm zam zam tụ zam zam
Nwa nnụnụ ụkwa! Nwa nnụnụ ụkwa!
Tụm zam zam tụ zam zam
Ị nọ ebe ahụ eme gịnị?
Ana m atụrụ nne m ose
Tụm zam zam tụ zam zam
Ị tụchaa ya i mee gịnị?
Tụm zam zam tụ zam zam
M tụchaa ya eje m ikwunne m
Tụm zam zam tụ zam zam
Ikwunne gị na-eme gịnị?
Tụm zam zam tụ zam zam
Ikwunne m na-afụnụ opi
Tụm zam zam tụ zam zam
Fụkene ka ha si afụ
Pọpọlịlị pọpọlị so nwoke n'ike n'ike
So nwaanyị n'ike n'ike
Ọdụ bere pịpịlọ pịlọm pịlọm lọm pịị

*Zam zam* n'ebe a na-egosipụta ime ihe ngwa ngwa. Ọ na-egosikwa adịmuchu na mbọ nwa nnụnụ na-agba n'ịtụrụ nne ya ose. O mere ka a mara na ihe kpatara o ji atụ ose ahụ ngwa ngwa bụ ka o nwee ike gaa ikwunne ya. Ụda *pọpọlịlị pọpọlị*, *pịpịlọ pịlọm pịlọm*, sitere n'opi. Nwa nnụnụ fụrụ nke a iji gosi etu ndị ikwunne ya si afụ opi. Ụda opi nwa nnụnụ fụrụ gosipụtara ụda ngwa egwu e nwere ike imepụta. Nke a ga-enyekwa aka ime ka akụkọ nwee nghọta ma kwekwa nkwenye. *Tụm* sitere na nnụnụ; *zam zam* gosipụtara ime ihe ngwa ngwa; ebe *pọpọlịlị pịpịlọ pịlọm* sitere n'opi. N'agbanyeghị na enweghị ike ịtụgharị ụda ndị a, ọ pụtaghị na ha enweghị nghọta zuru oke n'akụkọ ifo. Ha kwalitere nghọta na ndanusoro dị n'abụ. Ụda ndị a mere ka akụkọ dị n'ụdị abụ - mkpọku na nzaghachi; ebe ajụjụ na ụsa dị n'ụdị mkpọku, nsinụda ndị nọ n'abụ na-abịa n'etiti iji weta mma.

*Walawala* bụ ụda e ji zipụta mmiri n'akụkọ ifo 'Nwa mmiri na-eru walawala.' Oge ọbụla ụmụaka abụọ nọ n'akụkọ bụ enyi chọrọ iri nri, ha na-eji egwu akpọku onwe ha. Ha na-agụ:

| | |
|---|---|
| Okooo Okooo | Nwa mmiri na-eru walawala |
| Okooo Okooo | Nwa mmiri na-eru walawala |
| Okooo, gị bịawa o | Nwa mmiri na-eru walawala |
| Gị bịawa o, na o ghewo o | Nwa mmiri na-eru walawala |
| Na o ghewoo, na a ga-erio | Nwa mmiri na-eru walawala (ihu 46) |

*Walawala* na-egosi ọnọdụ nakwa etu mmiri si eru – walawala. Nke a na-egosipụta udo, ịdịnaotu na ọganihu. Igbo na-ekwu okwu, sị na mmiri enweghị iro. E ji ụda mmiri na-eru walawala gosipụta adịm na mma nakwa abụmenyi dị n'etiti ụmụaka abụọ ndị bụ enyi n'akụkọ a. Ụda nyeere aka n'itinyeso nghọta n'emereme dị n'akụkọ.

Ụda *ụyọm ụyọ ụyọm* sitere na mgbịrịmgba mbe yi n'aka na ụkwụ o ji aghọrị nakwa emenye agadi nwaanyị ọ na-eri nri ya ụjọ. Oge ọbụla ọ chọrọ imenye nwaanyị ahụ egwu, ọ malite gụba:

Eke mbe agana esu
*Ụyọm Ụyọ mbeneke Ụyọm*

Eke mbe agana esu
*Ụyọm Ụyọ mbeneke Ụyọm*

Ọ chụfuru nwaanyị, Ọ chụfuru nwoke
*Ụyọm Ụyọ mbeneke Ụyọm* (ihu 109)

*Ụyọm* dịka ụda dabara n'akụkọ a maka na oge ọbụla mmadụ yi mgbịrịmgba n'ụkwụ maọbụ n'aka, ọ bụrụ na o megharịa akụkụ ahụ ndị ahụ, ha ga-emepụta ụda *ụyọm*. Ụda a rụrụ oke ọrụ n'akụkọ a maka na o nyeere aka ime ka akụkọ bụrụ nke e nwere ike ikwenye na o mere eme ma bụrụkwa nke e nwere ike inwe mmetụta banyere ya. Ọzọ, ụda a mekwara ka nkwe abụ ifo a bụrụ nke dị n'ụdị abụ ekwerekwe. O nyekwaara aka zipụta mma dị n'ifo.

## Nchịkọta

N'agbanyeghị na ụfọdụ nkwe abụ afo na-enwe ụda enweghị ike ịkọwa ngwa ngwa ka okwu nkịtị ndị dị n'abụ, nke a apụtaghị na ha enweghị nghọta dị na ha. Ha na-arụ ọrụ pụrụ iche maka na ha na-enye aka eme ka mma pụta ihe na nkwe ndị ahụ. Ha na-akwalite usoro eriri akụkọ ifo ndị a maka na ha na-enye aka agbakwunye echiche na-ezipụta emereme dị n'akụkọ. Nchọcha a chọpụtara na ụda ndị dị na nkwe abụ ifo abụghị naanị maka iji chọọ nkwe mma; kama, ha na-arụ ọrụ pụrụ iche n'ifo site n'ịkọwami emereme ndị dị n'akụkọ ifo.

## Nrụmaka


Agbo, M. (2011). Transitivity and grounding in Igbo folktale. *Journal of the Linguistic Association of Nigeria, 4*(1), 197-213.

Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature.* Ikeja: Princeton Publishing Company.

Azuonye, C. (2013a). Igbo stories and storytelling. In M. R. MacDonald (Ed.), *Traditional storytelling today: An international sourcebook* (pp. 33-40). New York: Routledge.

Azuonye, C. (2013b). The meaning of the "meaningless" refrain in Igbo folk songs and storytelling events. In M. R. MacDonald (Ed.), *Traditional storytelling today: An international sourcebook* (pp. 41-47). New York: Routledge.

Nwaozuzu, G. I. (2007). The traditional Igbo women – A villian or victim? A study of the image of women in Igbo folktales. *Journal of Igbo Studies*, *2*, 27-33.

Ibeli, N. (2016). Folktale as artistic representation of history: A study of selected Igbo folktales. *Arts and Design Studies*, *42*, 10-

Emenanjọ, E. N. (Odz.) (2004). *Ọmalinze: A book of Igbo folktale*. Ibadan: University Press Plc.

Starmack, S. (2018). Folk tales: Definition, characteristics, types, examples

Finnegan, R. (2012). *Oral literature in Africa*. Cambridge: Open Book.

Okafor, R. C. (2005). *Music in Nigerian society*. Enugu: New Generation Books.

Okpewho, I. (1992). *African oral literature: Backgrounds, character, and continuity*. Bloomington: Indiana University Press.

Nwachukwu-Agbada, J. (1991). The Igbo folktale: Performance conditions and internal characteristics. *Folklore Forum*, *24*(1), 19-35.

Ogbonna-Oluikpe, A. (2021). Digitising folktales: Cultural remediation and children's participation. *Nordic Journal of African Studies, 30*(2), 1-21.

Ofuanị, S. (2017). 'Nonsensical syllable' An inquiry into its rational in Sub-Sahara African music-making. *African Musicology Online, 7*(1), 139-162.

Nwafọ, D. I. (2011). Akụkọ ifo ala anyị. Nimo: Ụzụoji (Nig.) Publishers Ltd.

Nwosu, O., Ibezim, O. & Ugochukwu, N. G. (2021). Didactic and pedagogical dimensions of Igbo oral children's songs. *Journal of Language & Cultural Education, 9*(2), 84-94.